# MMETỤTA ỌRỊA ỌKPỌNỤBỤRỤ N'ASỤSỤ EPUM NKE GBADORO ỤKWỤ N'INYOCHA ONYE ỌRỊA NTỌTỌ OKWU NA NNEWI

**DR CHIKAMSO CHINYELU NWOSU**
**NATIONAL POPULATION COMMISSION HEADQUARTERS, ABUJA.**
**Email: Kamsokene@gmail.com**

**Ụmị**

Isi nchọcha a bụ mmetụta ọrịa ọkpọnụbụrụ n'asụsụ epum, nke gbadoro ụkwụ n'inyocha ndị ọrịa ntọtọ okwu nọ na Nnamdi Azikiwe University Teaching Hospital. Ndị ọrịa ntọtọ okwu e jiri mee nchọcha a bụ ndị nọ n'ụlọ ọgwụ ahụ dị na Nnewi. Nchọcha a lebara anya n'ịchọpụta ọtụtụ ụdị nsogbu dị iche iche ndị nwere mmerụ n'akụkụ ụbụrụ a na-akpọ Broca na Wernicke na-enwe n'ịkpọpụta okwu Igbo n'olu Nnewi, iji gosipụta mmetụta nrụjọ ụbụrụ ha nwere n'asụsụ. Ọchọcha a chọpụtara ụdị ntọtọ okwu dị iche iche, kọwakwaa ụdị ntọtọ okwu e nwegasịrị, njirimara ha, na ụzọ dị iche iche e si amata onye nwere ọrịa ọkpọnụbụrụ. E lebakwara anya n'usoro ndokọ okwu na nghọta okwu dị n'okwu ndị ọrịa ntọtọ okwu, tinyere ụzọ dị iche iche e nwere ike isi nyere ha aka. Ọchọcha a gbara ndị ọrịa ntọtọ okwu anọ ajụjụ ọnụ — mmadụ abụọ nwere nsogbu Broca na mmadụ abụọ nwere nsogbu Wernicke — ma nyochaa azịza ha n'usoro ndokọ okwu na nghọta okwu. Ọchọcha a gbasoro usoro nkọwasị mee nchọcha ya. Nchọpụta ọchọcha gosiri na ọrịa metụtara akụkụ ụbụrụ Broca ma ọ bụ Wernicke na-eme ka onye ọrịa ghara ịkparịta ụka nke ọma. A chọpụtara na akụkụ Broca na-ahụ maka usoro ndokọ okwu, ebe akụkụ Wernicke na-ahụ maka nghọta okwu. Ọchọcha a gara n'ihu ịkọwapụta ụdị ọkpọnụbụrụ ndị ọzọ e nwegasịrị ma tụpụta atụmatụ ga-enyere ndị ọrịa ntọtọ okwu aka, ọkachasị n'ihe gbasara ịsụ asụsụ epum.

## 1.1.1 Mkpọlite

Asụsụ bụ ọpụrụiche n'ihi na ọ bụ ya na-akpa oke n'etiti mmadu na anụmanụ. Ọ bụrụ na-eleba anya na ntọala etu mmadu si bịa ụwa, a ga-achọpụta na asụsụ bụ usoro mmadu na ibe si akparịta ụbụbọ. Ezigbo ọganihu pụtara n'asụsụ mba ụwa niile na-egosi mkpa asụsụ di na ndu mmadu na ibe ya ma n'obodo. (Carlin 2008: 226)

Asụsụ dị nnukwu mkpa na ndu mmadu. Ọ bụ asụsụ na-enyere mmadu aka iji chọpụta ikike o nwere iji mebe mkpụrụokwu na ahiriokwu. E wepụ asụsụ ọ ga-abụ ihe tara akpụ mmadu na ibe ya ịkparịta ụbụbọ. Asụsụ bụ otu ihe na-enyere mmadu aka iji ghọta ma chọpụta agwa mmadu na ibe ya ma burukwa otu ihe kachasi mkpa e jiri mara mmadu. Mana mgbe ọbụla mmadu nwere nsogbu n' usoro mkpọpụta asụsụ, a ga-enwe ọgbatauhie na mmebeokwu ma na nghọta ozi dị n'asụsụ ahụ. Okwuu nwere ike inwe nsogbu mkpọpụta okwu n'usoro sayensi asụsụ nke sitere n'ezinaụlọ ya ma ọ bụ n' agbụrụ ya.

Ọtụtụ nsogbu maọbụ nrụjọ metụtara otu akụkụ ụbụrụ nke ọrụ ya bụ ikwu okwu, nghọta bụ ọsụ wernicke. Ọtụtụ ndị mmadu dịka ndị isi zuru oke mana ha enweghi ike ikwu ma ọ bụ ikwu okwu nke ọma. Ihe kpatara ụdị ọnọdụ dị etu a nwere ike ịbụ nsogbu ihe mberede nke okporo ụzọ ma ọ bụ mgbe amụrụ ya.

Iji maa atụ, o nwere ndị kpuru isi anaghi ahụ ụzọ malite mgbe nne mụrụ ha, nwekwaa ndị ntị chiri malite mgbe a mụrụ ha. A mụnyere ha n'ime nsogbu di etua dị ka ndị nwere nsogbu ngado ire nke mere na ha anaghi ekwu okwu nke ọma na ndi ebe ọgan okwu ha nwere nsogbu na ha enweghi ike ikwu okwu nke ọma. E nwekwara ọtụtụ ndị na-ekwubu okwu nke ọma mgbe a mụrụ ha mana out ihe ma ọ bụ nke ọzọ mere ha na ndu ma merụọ ọgan okwu ha nke mere ka ghara ikwuzikwa okwu nke ọma nke ihe nwere ike ibute nsogbu a bụ ihe mberede ma ọ bụ ọrịa mba mmụọ.

Ụfọdụ nsogbu a na-enwe n'asụsụ n'oge a na-agbasakari nrụjọ ụbụrụ bụ ọrịa ọkpọnụbụrụ. Ọ dị ọtụtụ akụkụ ụbụrụ mejupụtara isi mmadu. Akụkụ ụbụrụ kachasi bụ cerebrumu nke e kewasiri n'ibe n'ibe, ebe ọsụ Wernicke na ọsụ broca. Dị ka Markson (1997) siri kọwaa na ọ bụ nsogbu nghọta ma ọ bụ mmepụta asụsụ nke ihe kpatara ya bụ maka na ụbụrụ anaghi arụ ọrụ nke ọma, nke a gosiri na-eji isi na ekwo na akụkụ ụbụrụ ụfọdụ anaghizi arụ ọrụ ọkachasi ọsụ Broca na Wernicke. Ọrịa ọkpọnụbụrụ metụtara Broca na Wernicke na-apụta n'ịkpọpụta okwu nke ga-eme ka okwu taa akpụ na mkpọpụta ma ọ bụ icheta mkpụrụokwu wee ruo na-enweghizi ike ikwu okwu, ịgụpụta ihe ma ọ bụ ide ihe. Ọrịa ọkpọnụbụrụ nke Broca na-amalite ngwa na ndu onye nwere ọrịa mba mmụọ nke na-eme ka otu akụkụ ụbụrụ nke na-ahụ maka ịtụcha asụsụ nke ga-eme ka onye ọrịa ahụ ghara ikwu okwu nke ọma. Ebe ihe na-akpata ọrịa ọkpọnụbụrụ nke ọsụ Wernicke bụ mgbe mmadu kụrụ isi n'ala ma ọ bụ daa nwee nrụjọ ụbụrụ nke ga-eme ka akụkụ ụbụrụ ahụ ọrụ ya bụ ịghọta asụsụ nwee nsogbu nke ga-eme na onye ọrịa ahụ agaghi enwe ike ịghọta okwu e kwuru n'ọnụ ma ọ bụ nke e dere ede.

Ebe ọ bụla e nwere akụkụ ahụ na-enye aka n'asụsụ mgbe ọ bụla e nwere nrụjọ n'ụbụrụ ọ ga-akpalite ọrịa ọkpọnụbụrụ. Nchọcha a bụ iji nyochaa ndị nwere ọrịa ọkpọnụbụrụ na etu o si metụta asụsụ epum na Nnewi ma chọpụta kwa ụzọ dị iche iche a ga-esi nyere ha aka.

## 2.0 Ntụleghari Agụmagụ

Ntụleghari agụmagụ ga-agbado ukwu n'ihe ndi a na nkọwa e merela n'isiokwu, nyocha atụtụ nchọcha e merela n'isiokwu na nchịkọta nyocha agụmagụ.

### 2.1 Nkọwa e merela n'isiokwu

E meela nchọcha n'isiokwu a bụ ọkpọnụbụrụ nke mere Watson (1993) ji wee chịkọta nkọwa ọkpọnụbụrụ dị ka ọrịa siri ike na-adakwasi mmadu ọkachasi okenye. Miller (1971) so na ndị nchọcha mbu chọpụtara ọrịa bụ ọkpọnụbụrụ mana nyocha ọrịa a bụ ọkpọnụbụrụ ọ bụghi ihe dị mfe n'oge ahụ. Ederede nchọcha Miller gosiri na ọtụtụ ndi okenye nwere nrụjọ ụbụrụ ahụ nke kpatara na ha na-atọtọ okwu maka na ha anaghizi echeta ihe otu o kwesiri. Miller kọwara na amamihe ndị nwere ọrịa ọkpọnụbụrụ a na-agbada nke na-ebutere ha mgbanchefu na ntọtọ okwu.
Nchọpụta mbu emere gbasara ọkpọnụbụrụ na 2000BC nke ndị Egypt na-ahụ maka ndị ụbụrụ ha ghasara aghasa mere. Ọ bụ n'afọ 1997 ka ha chepụtara aha ọrịa bụ ọkpọnụbụrụ nke pụtara na latin "uche mmadu ịpụ". Na mgbe gboo 18th century ọrịa ọkpọnụbụrụ bụ ọrịa e ji atụnyere ndị isi ezughi oke mana mgbe 19th century e mekwara nchọcha ọzọ were kpebie na ọkpọnụbụrụ gbasara ndị nwere nrụjọ ụbụrụ.
Ọkpọnụbụrụ bụ aha nchịkọta nye ọtụtụ ọrịa ndị ọzọ metụtara ụbụrụ. N'oge gboo a chọpụtara na ọrịa nwaanyị (syphilis) so n' otu ọrịa na-ebute ọkpọnụbụrụ mana n'afọ 1906 a chọpụtakwara na ọrịa Alzheimer na-ebutekwa ọkpọnụbụrụ.

### 2.2 Nchọcha n' isiokwu

Ọrịa ọkpọnụbụrụ bụ okwu sitere na latin nke a kpọrọ "dementatus" nke pụtara uche mmadu ịpụ. Ọ bụ okwu e ji atụnyere omume di aṅaa, ihe mgbagwojuanya na nghọtaghie n' omume mmadu.

Ọkpọnụbụrụ bụ aha jikọtara ọtụtụ ọrịa e ji akọwa nrụjọ ụbụrụ, ntọtọ okwu na echiche. Ọrịa ọkpọnụbụrụ bụ ọrịa na-apụtakari ihe mgbe mmadu na-agbagota n'afọ mana ọ bụghi iwu na ọrịa ọkpọnụbụrụ na-eso nka abịa.

Ọrịa Alzheimer bụ ụdị ọkpọnụbụrụ a na-ahụkari nke n'oge ụgbụ a. Ọ bụ ọrịa Alzheimer na-akpata ya tiyere na-enweghi ike ịgwọta ya kpam kpam. (Glenner 1990) E nwere ike iji ọgwụ na-ahụ maka ya wee gwọọ ya ma ọ bụ gbochie ya na mbido. A chọpụtara na ọ bụrụ na mmadu nwere nghọtaghie asụsụ ọ bụla mgbe ọ dị na nwa, a tụrụ anya na o nwere ike inwe ọrịa Alzhermer n'okenye (JAMA 1996). Nchọcha a chọpụtara na ọrịa Alzheimer na-ebute ọkpọnụbụrụ ma na-eme ka mmadu na-echefu ihe ukwuu malite n'afọ 65 ruo 95. Otu ihe e ji achọpụta ọrịa Alzheimer n'oge bụ mgbe mmadu malitere isi mkpasa nke nwere ike ịpụta ihe n'etu onye ahụ si eche echiche, eke ikpe ma ọ bụ e ji mkpụrụokwu emebe okwu ga-agbanwe n'asụsụ epum ya. MC Khamn na ndị ọzọ (1984): gara n' ihu ịrịọ ka ndị nchọcha n'asụsụ na ndị ọkachamara n'igwe kọmputa leba anya ịchọpụta ndị na-arịa ọrịa ma nyochapụta ụzọ a ga-esi gwọọ ha ma nyere ha aka. Iji maa atụ: Ahiriokwu "o nwere nne nwaanyi kwu ebe ọ na-asa efere uh! uh! uh! mmiri na-aghasa n'ala kama ikwu mmiri na-agbafu n'ala. Ahiriokwu a gosiri na onye kwuru ya nwere ọkpọnụbụrụ nke bụ ọrịa Alzheimer. Maka na ndị Nnewi anaghi asụ "mmiri na-agbasa" kama "mmiri na-agbafu".
Davies (2009) sị na mgbe ọtụtụ oge gasiri okwuu ga-ekwuizi okwu ya wee sị "mmiri na-agbafu" nke gosiri na ọ na-enwe mgbagwojuanya na mgbanchefu.
Duke et al (2002) tụnyere na ọrịa Alzheimer na-enwe ejirimara dị iche iche site n'ogogo nke mbu wee rue n'ogogo ọzọ. Mgbe ọria Alzheimer na-aga n'ihu.

Mcgregor (2009:190) kọwara ọrịa ọkpọnụbụrụ dị ka mmerụ arụ nke ụbụrụ n'akụkụ gbasara ntọtọ asụsụ n'ihi ọrịa mba mmụọ, etuto ma ọ bụ mmadu ịkụwa isi. Ọria na-emetụta ọgan okwu mmadu ma mebikwaa akụkụ ụbụrụ n' ahụ maka mmebeokwu.

Dị ka Davis na Willox (1985:165) ọkpọnụbụrụ bụ ọrịa na-egbochi onye na-aria ya ikwu okwu ma ọ bụ icheta ihe ma detuo ya n'akwụkwọ. Forder (1983:26) kọwara ọrịa ọkpọnụbụrụ dị ka ọrịa na-emebi ụbụrụ mmadu nke nwere ike ịpụta ihe na e nwee nrụjọ ụbụrụ nke na-ebute mghasa asụsụ epum. Hanlay & kay (2003:261) kọwakwara ntọtọ okwu dị ka ogbochi a na-enwe n'ịghọta asụsụ na mmepụta okwu nke pụtara ihe n'ihi nrụjọ dị n'ụbụrụ nke ga-eme ka akụkụ ụbụrụ ya suchie.

Dị ka Garrett (1980:37) si kọwaa na-enweghi mgbagha na nsogbu mmadu nwere ịghọta na ịkọwapụta echiche ya gbasara asụsụ na nghọtaokwu.Nke a bụ ọrụ ụbụrụ n' agbanyeghi na onye ahụ ọ bụ okwuu, odee ma ọ bụ ọnụụ.

2.3 **Ntụleghari Atụtụ**

2.3.1 **Atụtụ nkịtị**

Ndị wubere atụtụ a bụ Paul Broca (1861) na Lan (2003:502)

Ha na-akọwa na e nwee nrụjọ n'ụbụrụ na ọ na-emetụta ikwu okwu na nghọta okwu mmadu.

**2.3.2 Atụtụ nkọwa ọrịa ntọtọ.**

Okwu a gbasara ọrịa ntọtọ gbasara ọrịa ntọtọ okwu bụ nke nwere njirimara nkiti dị iche iche metụtara etu ụbụrụ si arụ ọrụ na akụkụ ụbụrụ dị iche iche.

**2.3.3 Atụtụ Nsinụbụrụ**

Elling (1994:26) hụtara ọrịa ntọtọ okwu dị ka ọrịa na-aghasa ọgụgụ isi nke na-apụtakarị ihe n'ọgụgụ na edemede onye ọrịa ahụ ma na-emekwa ka o na-enwe nghọtaghie.

**2.34 Atụtụ echiche ndinime**

Paul Broca onye bụ dọkita na mba French kọwara ọgbakọ ndị ntrọpọlọji n'afọ 1861 na paris. Otu onye ọrịa aha ya bụ Leborgne nke nwere nnukwu nsogbu ịkpọpụta mkpụrụokwu na ndu ya. Mgbe enyochara ọsụ Broca ya n'usoro sayensi asụsụ, a chọpụtara na Leborgne nwere nrụjọ n'akụkụ ụbụrụ na-ahụ maka asụsụ na mkpọpụta okwu. Nke a na-akọwa na Leborgne na-arịa ọrịa ntọtọ okwu nke mere na o nweghi ike ịkpọpụta okwu karia otu nkejiokwu. Nnyocha a e mere n'usoro sayensi asụsụ gosipụtara nnukwu nrụjọ n'akụkụ ụbụrụ ya nke a maara ụgbụ a dị ka ọsụ Broca. Ọsụ Wernicke bụ nrụjọ na- emetuta ụbụrụ akanri mmadu. Ụdị aha ọzọ e nwere ike ịkpọ ụdị ọrịa ntọtọ bụ ọrịa ntọtọ kennabata.

Dị ka Lan (2003:502) siri kọwaa na ụdị ọrịa ntọtọ abụ nke onye ọrịa ahụ enweghi nsogbu na-mkpọpụta okwu dị ka ọ dị n' onye ọrịa Broca

Knight (2008:131) na nkọwa nke ya kwenyere na onye ọrịa Wernicke nwere ike ịkpọpụta okwu nke ọma ma na nsogbu ya bu i webata okwu dabara adaba n'ihe ọ na-ekwu.

**2.4 Atụtụ e jiri mee nchọcha**

Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ Paul Broca (1861) na Lan (2003:502) Ha bụ atụtụ dabara n'isiokwu a n'ihi na ọ na-akọwa ụdị nrụjọ dị iche iche nwere ike imetụta ụbụrụ nke na-ebute ọrịa ntọtọ okwu.

**2.5 Nchịkọta Nchọcha**

N'agụmagụ ndị a niile e nyochara, a hụrụ atụtụ echiche dị iche iche ndị mmadu merela gbasara ọrịa ọkpọnụbụrụ n'asụsụ epum na iji nyochaa etu o si metụta onye ọrịa ntọtọ na Nnewi bụ nke ọchọcha chọrọ ịchọpụta. Nsogbu ọ bụla metụtara akụkụ ụbụrụ mmadu ebe na-ahu maka mkpọpụta na nghọta okwu, ị mara na ọ ga-abụ nsogbu nyere onye ahụ n'ihe gbasara asụsụ na ndokọ mkpụrụokwu. Ọtụtụ ndị nchọcha edeela maka ntọtọ okwu mana a hụbeghi ọchọcha dere maka ntọtọ okwu n'olu Nnewi. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpalitere mmụọ ọchọcha iji mee nchọcha a.

**3.0 Usoro nchọcha**

Nkeji nke a na-akọwa usoro a gbasoro wee nweta ngwa ọrụ nchọcha e ji mee nchọcha na ngwa dị iche iche e jiri mee ya.

**3.1 Nka nhazi nchọcha**

Nchọcha a ga-eleba anya n'ụdị ọrịa ọkpọnụbụrụ nke gbadoro ukwu n'onye ọrịa ntọtọ na Nnewi. A gbasokwara usoro nkọwasị iji wee nye nkọwa data.

**3.2 Usoro nkọwasị data**

Ọchọcha zipụtara nchọcha ya site n'igbado ukwu n'usoro sayensi asụsụ wee were ngwa e ji enyocha okwu mmadu kwuru wee jụọ ndị ọrịa ntọtọ ole na ole ajụjụ. E jikwa tepu rekọda wee were azịza ha.

**4.1 Nkọwa isiokwu bụ: ntọtọ okwu**

Mgbe nwata na-amalite ịmụ asụsụ, e nwere ọtụtụ okwu ọ ga na- akpọghie nke na-eme ka a mata afọ ole nwa ahụ di. Mkpọghie ndi ahụ na-abụ na mkpọpụta okwu, mmebeokwu, ndokọ okwu wee diri gawazie. O nwere mgbe a tụrụ anya na mkpọghie ndị ahụ ga-akwụsị nwa ahụ e wee sụọ asụsụ ka onye Nnewi.

**4.1.1 Ntụcha nchọcha**

A tụrụ anya na mgbe ọ na-eto na ọ ga-amalite ịsụ asụsụ nke ọma ma na-asụkwa ya ka onye nwere amamihe. O kwesiri ka okenye na-aghọta ma na-ahazi mkpụrụokwu ya nke ọma dị ka onye amụnyere n'ime asụsụ ahụ mana mgbe a chọpụtara na okwu onye okenye ahụ anaghi aga n'ezigbo usoro ma ọ bụ nwee nghọta. Nke a pụtara na okenye ahụ nwere ọrịa nke na-egbochi ya ịghọta okwu na ịkpọpụta okwu nke ọma.

Mgbe nsogbu dị otu a pụtara nke a gosiri na onye kwesiri ije ụlọ ọgwụ. Nke a bụ ọnọdụ ndị ọrịa a na-eme nchọcha na ya. Ha bụcha ndi okenye nwere nsogbu n'ịkpọpụta okwu. A chọpụtara na nsogbu ha nwere gbasara mkpọpụta

okwu bụ site n'ụdị ọrịa mebiri akụkụ ụbụrụ ha nke ọrụ ya bụ ịhụ maka mkpọpụta na nghọta okwu nke mere ka ha nwee ọrịa ntọtọ okwu. Isi nsogbu ndị ọrịa a ka pụta ihe na mkpọpụta na nghota okwu nke metụtara ọsụ broca na ọsụ wernike. Nkeji a lebara anya na mkpọghie pụtara ihe site ajụjụ ọchọcha jụrụ ndi ọrịa ntọtọ okwu. Ọchọcha gara ugboro ugboro n'ụlọ ọgwụ Nnamdị Azịkiwe dị na Nnewi iji gbaa ndi ọrịa ntọtọ a ajụjụọnụ ma detukwaa ụsa ha nyere.

### 4.1.2 Ntụle keesi mbu

Aha ya bụ onyinye.Ọ dị afọ iri anọ na ise. Ọ bụ onye Ọkpụneze Uruagụ Nnewi nke dị n'okpuru ọchịchị Nnewi nọọtụ Anambra Steeti. Otu mgbe onye ejirimee nchọcha na-eme nje m ilọta Nnewi ka o nwere ihe mberede nke okporo uzo mgbe ọ nọ n'elu ọgbatumtum nke mere ka ọ kụọ isi ya n'ụzọ kolota. A nabatara Onyinye n'ụlọ ọgwụ Nnamdị Azịkiwe dị na nnewi ka mkpụrụ ụbọchị Juun 25, 2017. Mgbe a gwọsiri ya ma nye ya ikike ịla, a chọpụtara na ọ dịghizi ihe onyinye nwere ike icheta nke mere na-akpọrọ dọkịta na-ahụ maka ụbụrụ ka o leruo ya anya. Dọkita na-ahụ maka ụbụrụ na-abiakwa ụbọchị fraidee. A chọpụtara na ihe mberede nke okpolo ụzọ ahụ metụtara ya n'ụbụrụ nke na-ahụ maka mmepụta asụsụ nakwa ikwu okwu.

Ọtụtụ ajụjụọnụ ọchocha gbara Onyinye mgbe ọ gara n'ụlọ ọgwụ Nnamdị Azịkiwe dị na Nnewi n'ụbọchi Ọgostu 19, 2018.

| | **Ajụjụ (ọchọcha)** | **Azịza (ntọtọ okwu)** |
|---|---|---|
| 1) | Keekwanu? | Seses sese |
| 2) | Ị dịkwọ mma ? | mụ eeeeses sese |
| 3) | Kedu afa gụ? | Seses sese |
| 4) | Gụnụ butere ghu ebe a ? | Mm me sese |
| 5) | Ị wụ onye ebee? | Me me sese |
| 6) | Kedu ife ị na-arụ? | Seses eeeeee |
| 7) | Keduzi mgbe ife a melu gụ? | Seses se |

Site n'ajụjụ ndị a, ọchọcha chọpụtara na Onyinye ka na-amụ okwu n'ihi ihe mberede nke okpolo ụzọ ahụ metụtara akụkụ ụbụrụ ya na-ahụ maka nmepụta asụsụ na ikwu okwu.

Ọtụtụ mkparịtaụka ọzọ ọchọcha na onye ọrịa ntọtọ ahụ nwekwara n'ụbọchị Ọgọstụ 26, 2018. N'ụlọ ọgwụ Nnamdị Azịkiwe dị na Nnewi.

| | **Ọchọcha** | **onye ọrịa ntọtọ okwu** |
|---|---|---|
| 1) | Kedu ka i mere? | O kwe n'isi |
| 2) | Afa gụ kwanu? | Onyinye |
| 3) | Kedu ihe ị na-arụ? | Ọru ya mma, a biara m ugbua<br>A sụrụ ma akwa. |
| 4) | Onye ebee ka ị bụ? | Ọkpọneze Uruagụ |
| 5) | Gini kpọtara gụ ebe a ? | Isi m (o metu aka n'isi) |
| 6) | Kedu ụbọchi ihe a<br>Mere gi? | mm … Ubochi<br>Isi m kuru n'ala m na-abia obodo |

### 4.1.3 Ntụle keesi abụọ

Aha ya bụ Anyịego .Ọ dị afọ iri asaa. Ọ bụ onye Akabọukwu Uruagụ Nnewi nke dị n'okpuru ọchịchị Nnewi nọọtụ Anambra Steeti. Onye ejirimee nchọcha nwere ọbara mgbali elu nke butere ya ọrịa mba mmụọ. A nabatara Anyịego n'ụlọ ọgwụ Nnamdị Azịkiwe dị na nnewi ka n'ụbọchị Maachị 5, 2016. Mgbe a gwọsiri ya ma nye ya ikike ịla, a chọpụtara na ọ dịghizi mkpụrụokwu Anyịego nwere ike ịkpọtanwu nke mere na-akpọrọ dọkịta na-ahụ maka ụbụrụ ka o leruo ya anya. Dọkita na-ahụ maka ụbụrụ na-abịakwa ụbọchị fraidee. A chọpụtara na ọrịa mba mmụọ ahụ metụtara ya n'ụbụrụ nke na-ahụ maka mkpọpụta okwu.

Ọtụtụ ajụjụọnụ ọchocha gbara Anyịego mgbe ọ gara n'ụlọ ọgwụ Nnamdị Azịkiwe dị na Nnewi n'ụbọchi Ọgostu 19, 2018.

| | **Ọchọcha** | **onye ọrịa ntọtọ okwu** |
|---|---|---|
| 1) | Kedu ka i mere? | Ana m adụ mma |
| 2) | Afa gụ kwanu? | Anyịego |
| 3) | Kedu ihe ị na-arụ? | ọrụaka |
| 4) | Onye ebee ka ị bụ? | Akaboukwu Uruagụ |
| 5) | Gini kpọtara gụ ebe a? | Ọya isi |
| 6) | Kedu ụbọchi ihe a<br>mere gi? | Ọ bụ bp m nwere m na 2016 |

Site n'ajụjụ ndị a Onyinye zara ọchọcha a chọpụtara na Onyinye a malitela ịkpọpụta ọtụtụ okwu nwayọ nwayọ ma na-enye azịza dabara adaba. Ọ bụkwa ezị ọnọdụ mgbanwe a ka a hụtakwara n'ebe Anyịego nọ maka na dọkita

na-ahụ maka ụbụrụ lebara anya n'ọnọdụ ha nke ọma. Dị ka Wepman na Schuell (1964:117) si kọwaa na onye ọrịa ntọtọ okwu etufughi usoro e ji ekwu okwu kama ọ bụ n'ịkpọpụta okwu n'usoro dabara adaba bụ nsogbu ya ma bụrụkwa nke nwere ike ịdịkwa mma ma ọ bụrụ na-enye ya ọgwụgwọ kwesiri ekwesi.

**4.1.4 Usoro mkpọpụta ụda**

A bịa n'inyocha mkpụrụokwu Onyinye n'usoro mkpọpụta ụda a chọpụtara na Onyinye na-akpọghie ụda dị ka ịkpọ otu ụdaume ọtụtụ mgbe ma mkpọghie mgbochiume, ịkpọ otu okwu ọtụtụ oge na-itinye mkpụrụokwu adabaghi adaba.

**4.1.5 Usoro nghọta okwu.**

Ọtụtụ okwu o kwuru n'ụbọchi mbu ọchọcha gbara ya ajụjụ ọnụ e nweghi nghọta ọ bụla mana mgbe ọchọcha bịara nke abụọ ọtụtụ azịza ya gosiri na ọ na-adị mma nwayọ nwayọ.

Site n'etu ọnọdụ onye ọrịa ntọtọ a si agbanwe, ọchọcha kwenyere na nwa oge na-adịghị anya na onye ọrịa ntọtọ okwu ahụ ga-enwere onwe ma kwube okwu nke ọma dị ka nwa afọ Nnewi.

5.0 **Nchịkọta na Mmechi**

Mmetụta ọrịa ọkpọnụbụrụ n'asụsụ epum. Mgbado ụkwụ n' onye ọrịa ntọtọ na Nnewi. Mepere anya ọchọcha ịhụ na ọrịa ntọtọ bụ isiokwu dị mma ka e mee nchọcha miri emi banyere ya.

Ọrịa ntọtọ a na-apụtakarị n'onye kụrụ isi n'ala ma ọ bụ onye nwere nrụjọ ụbụrụ nke ọrịa mba mmụọ. N'ọrịa ọkpọnụbụrụ e nwere akụkụ ụbụrụ nke na-ahụ maka mkpọpụta okwu na ikwu okwu nke a na-akpọ ọsụ broca na ọsụ wernicke. Mgbe ọ bụla mmadu nwere mmeru ahụ nke metụtara akụkụ ụbụrụ ndịa marakwa na ọ nwere ike i butere onye ahụ ọrịa ntọtọ okwu. Ndị dọkịta na-ahụ maka ụbụrụ na-eleba anya n'ọrịa a ma gwọọ ya. Naani na ọ ga-ewe ọtụtụ oge nke nwere ike ịkari afọ abụọ. Ọrịa ntọtọ okwu anaghi egbu mmadu kama onye ọrịa ahụ ga-ewe oge tupu ọ dị mma.

**5.2 Aro ọchọcha**

Ọchọcha gosipụtara na ọrịa ntọtọ okwu bụ ọrịa e nwere ike ịgwọ agwọ. Ọtụtụ ndị mmadu na-eche na-anaghi agwọ ọrịa ntọtọ okwu agwọ mana ọchọcha chọpụtara na ọrịa ntọtọ okwu bụ ọrịa e nwere ike iji ọgwụ oyibo dị iche iche wee gwọọ dị ka dopamine, memantine mana ọgwụ kachasị dị ire bụ ịchọta ọkammụta asụsụ igbo ga-abịa bido n'isi kuziwere onye ọrịa ntọtọ okwu ahụ asụsụ. Nke ga-eme ka ụbụrụ onye ọrịa jiri nwayọ na-alọghachi. Ọ ga-adị mma ka ndị nchọcha lebaanya n'ụzọ dị iche iche e si elekọta ma na-agwọkwa onye ọrịa ntọtọ. Ihe ndị a nille ga-emekwa ka asụsụ Igbo na-eto eto ọkachasị olu Nnewi.

5.3 **Mmechi**

Ọchọcha a kwenyesiri ike na ọrịa ọ bụla nwere usoro ọgwụgwọ ya. Ya mere, onye ọ bụla nwere onye ọrịa ntọtọ okwu n'ụlọ, ọkachasị na Nnewi, kwesịrị ịma na e nwere ike ịgwọta ọrịa ahụ n'ụlọ ọgwụ. Biko gakwuuru ndị dọkịta na-ahụ maka ọrịa ụbụrụ na ndị ọkachamara n'asụsụ ka e wee nyere onye ọrịa ahụ aka ma mee ka ọ laghachi n'ọnọdụ dị mma.

**Nrụtụmaka**


Alaxander V, Micheal P. Hills B, X Argye E. (2008). Aphasia. Handbook on clinical Neurology, 88, 289 – 300

Anorw, C. etal (2002) speech disorder comprehensive psychiatry, C10 408 – 420.

Bennett, M.R.X Hacker, P.M.S (2003) philosophical foundations of neow science Oxford. Blackwell.

Bishop, D.M.V. (1992) The underlying nature of specific language imparment Journal of child Psychology, 1,119-214.

Bogen, J. (1969). The other side of the brain II: An oppositional mind. Bulletin of the Los Angeles neurological societies 34, 155 – 162.

Broca, P. (1865). Sur lesiege dela faculte du language article Bulletin de la societe anthropologue de paris (séance du 15 Juun). 377 – 393.

Broca, p. (1863) localization des fonctions cerebrales. Siege du language articule. Bulletin de la societe Anthropologigue de paris. 2002.

Gleener G.G. (1990). Alzhemiers disease. In Biomochical Advances in Aging pages 51 - 62

Mahendra B. (1987) Dementia: a brief history of the concept. In dementia sprnger, Dordrecht. MTP press Limited 1987.

Miller M.B (1971) unresolved feeding and nutrition
problems of the chronically ill' aged the Gerontologist 11,328 – 336

Watson (1993) Measuring feeding difficulty in patiebts with dementia perspectives and problems, journal of Advanced Nursing 18,25 – 31.